Preorcgess Vol. 4, 2024
www.ezenwaqhaetorc.org

# Ọnọdụ nwaanyị ajadu n'ala Igbo: Nleba anya n'abụ ederede Igbo ndị a họọrọ

Chinelo Chizoba Anachunam

## *Ụmịedemede*

*Ajadu metụtara ọnọdụ nwaanyị di ya nwụrụ anwụ maọbụ nwoke nwunye ya nwụrụ anwụ. Ọnọdụ dị otu a na-abụ nnukwu ihe mwute nyere nwoke maọbụ nwaanyị ahụ. Mana a chọpụtara na ọnọdụ nwaanyị ajadu n'ala Igbo na-aka njọ karịa nke nwoke ajadu. Ụmụnwaanyị ajadu na-enweta nnukwu ihe nhujuanya dị icheiche n'aka ndị mmadụ n'ihi na di ha anọghịzị. Ọ bụ ịchọpụta ajọ ọnọdụ dị otu a kpalitere nchọcha a. Nwanchọcha bu n'obi ịchọpụta ọnọdụ nwaanyị ajadu n'ala Igbo site n'ilebaanya n'abụ ederede Igbo ndị a; "Akwa Ajadu" nke sitere n'akwụkwọ abụ Ije Ụwa. "Ajadu" nke sitere n'akwụkwọ abụ Ọ Natara Chi na "Ọnwụ Di" nke sitere n'akwụkwọ abụ Mbem Akwamozu. Nwanchọcha chọrọ ilebaanya n'etu odee abụ ndị a siri zipụta ahụhụ na nhujuanya dị icheiche nwaany ịajadu na-enweta niihi ajọ ọnọdụ a. E ji atụtụ feminism were tụchaa abụ ndị a. Nchọpụta gosiri na ndị ode abụ ndị a zipụtara nwaanyị ajadu dị ka ndị nọ n'ihe mgbu niihi na di ha nwụnahụrụ ha. A chọpụtara na ndị ụmụnne di na-emekpa ụmụnwanyị ajadu ahụ site n'inapụ ha akụnaụba di ha hapụụrụ ha wee nwụọ. Nchọpụta a gosikwara na nwaanyị ajadu na-anọ n'arịrị oge niile ọkachasị mgbe o nweghịzị ike imeli ihe ndị ahụ di ya na-emere ya oge ọ dị ndụ. Oyi ụgụrụ na agụụ sokwa emekpa nwaanyị ajadu ahụ. Nchọcha a na-atụ aro ka gọọmentị, ndị ọchịchị obodo, ezinaụlọ nwoke*

*nwụrụ anwụ, na ọhammadụ niile gbaa mbọ n'ụzọ dị icheiche iji hụ na e belatara ahụhụ nwaanyị ajadu na-ata.*

***(Abstract***
*A widow is a woman who is bereaved of her husband. There are conditions linked to a widow. The conditions are always very unbearable to the affected persons especially the female counterparts. They get ill treatments from the society because of the conditions they find themselves in. Finding the said ill treatments are the reason for this research. Another purpose of this research is finding such conditions as depicted by the selected Igbo poets. Feminism theory is employed for this research. Findings from this research show that the selected poets showcased the widow's brothers-in-laws as the main reason and cause of most pains the said widows go through. Another finding shows that some widows undergo so much hardship because they are not financially stable. The researcher suggests that all hands should be on deck to see to the severe suffering of these widows and help stop them as the pain of losing a dear husband is quite enough for the widows.)*

## Ndubanye

Ezinaụlọ bụ ebe obi aṅụrị na udo na-adị ọkachasị ma ọ bụrụ na di na nwunye na-ebi nkeọma, ụmụ a mụrụ na-erubekwara nne na nna ha isi. Oṅụ ezinaụlọ na-ezu oke ma ọ bụrụ na nne, nna na ụmụ nọ n'ozuzuoke. Ọṅụ a na-ezute ihe mkpọbi ụkwụ ma ọ bụrụ na a chọọ otu n'ime ndị a achọọ. Ọ bụrụ nwa ka a chọrọ ma a hụghị, di na nwunye nwereike ịmụta nwa ọzọ ma ọ bụ nwoke alụrụ nwaanyị

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

ọzọ iji hụ na a mụtara nwa ọzọ. Ọ bụrụ nwaanyị ka a chọrọ ma a hụghị, di nwereike lụọ nwaanyị ọzọ iji nọchie ọnọdụ nwunye ya nwụrụ anwụ. Mana ọnọdụ a na-esi ike ma ọ bụrụ di nwe ụlọ ka a chọrọ ma ahụghị. Ọ na-etinye nwunye ya n'ajọ ọnọdụ dị icheiche.

Ọ pụtaghị na nwaanyị di ya nwụrụ enweghị ike ịlụ di ọzọ, kama, ọtụtụ oge, ọ na-esiri nwaanyị dị etu a ike isi na be di ya pụọ, lụọ di ọzọ niihi ụmụaka ọ mụtara na be di ya tinyekwara afọ ole ọ dị tupu di ya anwụọ. Ihe nke a pụtara bụ na alụchabeghị ụmụagbọghọbịa nọ n'obodo wee bụrụ ilebe nwaanyịlụrụla di mbụ anya n'ihu. Ihe ndị a ka nwaanyị di ya nwụrụ na-echecha n'obi ya ma họrọ ịnọ na be di ya lekọtaba ngwuru di ya nwụrụ anwụ anya.

Ọnọdụ ajadu n'ala Igbo gbadosịrị ụkwụ ike n'omenala na nkwenye ndị Igbo dị icheiche. Ajadu na-ezute ihe isiike dị iche iche sitere n'omenala na nkwenye ndị a nke na-arụtụ aka n'etu ọnọdụ ha na akparamagwa ha ga-esi dị n'obodo. N'omenala Igbo, ọnwụ di bụ ihe na-eweta mgbanwe pụrụ iche na ndụ nwaanyị di ya nwụrụ.

Ọnwụ di na-edubanye nwaanyị n'ọnọdụ iru ụjụ na ọtụtụ omenala ndị ọzọ dị icheiche nke ndị Igbo hụtara dị ka ihe ga-eme ka mmụọ di ya nwụrụ anwụ nwee ezumike ma kewapụ mmụọ nwaanyị na nke di ya ahụ. N'oge iru ụjụ a, nke nwereike ịnọ ọtụtụ ọnwa, nwaanyị ajadu naenwe ihe mgbochi dị icheiche. Ihe mgbochi ndị a gụnyere, na

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

nwaanyị ajadu aghaghị eyi akwa mara mma, ọ gaghị aga mmemme a na-eme n'obodo, ọ ga-anọ ala na ntụ maọbụ n'out ọnụ ụlọ ganye na ọ kwacha di ya, ọ ga-akpụchasị isi ya, ọ ga na-eri nri naanị otu ugboron'ụbọchị, ọ ga na-ebe akwa n'isi ụtụtụ ọbụla, ọ gaghị arahụ ụra n'oge ehihie, ọ gaghị ete uri maọbụ chọọ onwe ya mma n'ụzọ ọbụla, ọ gaghị achị ọchị maọbụ nwee obi ọcha. Nke kachasịnụ bụ na ọ ga naeyi akwa mkpe oge ọbụla ganye na oge iru ụjụ ya abịa n'isi njedebe.

N'ịganiihu, nwaanyị ajadu na-ezutekwa ịkpa oke na mmekpa ahụ site n'aka ndị be di ya na ndị obodo. Ha nwereike ịhụta ya dịka ibu arọ dịrị ha ma boo ya ebubo na ọ bụ ya gburu di ya site n'ịta ya amosu maọbụ site n'ịgwọ ajọ ọgwụ. N'ọnọdụ dị otu a, a na-amanye nwaanyị a n'ịṅụ mmiri e ji saa ozu di ya iji gosi na aka ya dị ọcha, e nwekwuazịrị ike mapụ ya n'ọgbakọ dị icheiche, napụ ya oke di ya niile maọbụkwanụ chụpụ ya n'obodo.

N'oge ugbua, ọtụtụ mmadụ na otu dị icheiche na-agba mbọ ịhụ na e wetara ajọ ọnọdụ a ụmụnwaanyị ajadu na-agabiga n'isi njedebe, ma nke a emeghị ka ajọ ọnọdụ a kwụsị kpamkpam. Otụtụ ụmụwannyị ajadu ka na-agabigakwa ajọ ọnọdụ dị icheiche site n'aka ndị mmadụ ibe ha. N'ọnwa March, n'afọ 2022, ihe onyoonyoo wusara na mba ụwa dum site na ịntanetị banyere otu ajadu nwaanyị aha ya bụ Ajuese Obiora bụ onye ndị obodo boro ebubo na ọ lagburu di ya. Ndị obodo ya bụ Agulueri gbara

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

ya ọtọ ma kpụgharịa ya n'obodo ahụ niile (Daily Post 2022).

Na nchịkọta, nchọcha a bụ ọnọdụ nwaanyị ajadu n'ala Igbo: Nleba anya n'Abụ Ederede Igbo ndị A Họọrọ lebara anya n'etu ndị odee abụ ndị a siri zipụta mmekpa ahụ dị icheiche ụmụnwaanyị ajadu na-enweta n'obodo. O lebakwara anya na mbọ niile a na-agba ibelata ajọ ọnọdụ a na iwulite ikike na ọnọdụ ụmụnwaanyị ajadu n'*Ije Ụwa* na *Ọ Natara Chi*.

**Nkọwa Isiokwu Sitere na Nchọcha A**

N'ebe a, a ga-eleba anya n'ọkpụrụkpụ isiokwu ndị pụtara ihe na nchọcha a. Nwanchọcha gaeleba anya na nkọwa dị icheiche ndị odee nyere banyere ajadu, agụmagụ na abụ.

## Ọnọdụ Ajadu

Nwanchọcha ga-akọwa nke ọma ihe ajadụ pụtara nihina apụghị ịrụtụ aka nkeọma banyere ihe ajadu pụtara niihina ọ bụ ya bụ okwu a kpụ n'ọnụ na nchọcha a. Ọnọdụ ajadu bụ ewumewu. Dịka Ezejiofor (2011) siri kọwaa:

> Nkọwapụta na nghọta ewumewu a bụ nke sitere n'omenala na ọdịnala obodo bụ nke na-achịkwa ya. Niihi nke a, a tụrụ anya na nwaanyị ọbụla di ya nwụrụ ga-erube isi n'iwu niile ndị ahụ na ntọaja niile metụtara ọnọdụ ajadu bụ

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

> nke omenala na ọdịnala na-ebogide ha. Ụmụ nwaanyị na mbaAfịrịka na ala Naịjiria kpọmkwem na-atụ ụjọ ịbanye n'ọnọdụ ajadu. Nke a bụ niihina ọ naetinye ha n'ajọ ọnọdụ dị icheiche dịka ọnọdụ ịbụ ndị a jụrụ ajụ, mmegide, mkpagbu, nnapụ oke ruuru ha, mmanye na mmetọ; nke a ka ha na-ahụta dịka ọnọdụ na-eyi oke egwu..

Nkọwa Ezejiofor gosipụtara ụdị ahụhụ dị icheiche nwaanyị ajadu na-ata nke mere na o nweghị nwaanyị ọbụla na-enwe mmasị ịhụta onwe ya n'ajọ ọnọdụ a. Ekwealor (2010) n'aka nke ya kọwapụtara ajadu nke, ọ kpọrọ ịgba mkpe dịka,

> Iru ụjụ maka onye nwụrụ anwụ. Nwoke na-agba mkpe nwunye ya nwụrụ anwụ, nwaanyị na-agbakwa mkpe di ya nwụrụ anwụ. Kaosiladị, ịgba mkpe di na-etinyekarị nwaanyị n'ọnọdụ ọjọọ. Niihi nke a mgbe ọbụla e kwutere maka ịgba mkpe echiche ụmụ mmadụ na-agakarị na nwaanyị na-agba mkpe di ya nwụrụ anwụ.

Nkọwa Ekwealor gosiri na ọnọdụ ajadu metụtara ma nwoke ma nwaanyị mana ọnọdụ a kacha wee metụta ụmụ nwaanyị niihina ọ bụ ha kacha enweta ahụhụ dị icheiche

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

n'ọnọdụ a. Ọ bụ nke a mere e ji akpụkarị nwaanyị ajadu n'ọnụ karịa nwoke ajadu.

N'ịkọwapụta ajọ ọnọdụ cheere nwaanyị ajadu aka mgba, Ekwealor (2010) kọwapụtara sị,

> Malite oge di ya nwụrụ ruo otu afọ, nwaanyị ahụ na-anọ na nnukwu ahụhụ. Naanị uwe ojii na akwa ojii bụ ngwa ejiji ya. N'obodo dị icheiche, nwaanyị na-agba mkpe di ya anaghị asa ahụ tutu ọ pụta na mkpe. Ọ naghị anọ n'oche, ọ naghị eje ebe ọbụla, kama ọ ga-anọ otu ebe, a kpanye ya mma ekwu n'aka. O nweghị ike ikwe mmadụ n'aka. N'obodo ụfọdụkwa, ọ bụ iwu na nwaanyị ahụ ga na-ebe akwa n'isi ụtụtụ ọbụla, ma akwa ọ gụrụ ya ma ọ bụ na ọ gụghị ya, iji gosi na ọnwụ di ya na-ewute ya, ọ gaghị achọ mma n'ụzọ ọbụla. A naghị ahụkwa ọchị n'ihu ya. O nweghị nwoke ya na ya ga-emekọ nke a pụtara na obodo na-elegara nwaanyị nọ na mkpe di ya anya dị ka onye rụrụ arụ, onye a na-asọ asọ.

N'ịkwado echiche a, Jonathan na Inedu (2013) kọwapụtara sị:

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

> A na-amanye nwaanyị ajadu ịrahụ ụra n'ala nkịtị ogologo ụbọchị niile ebe ọ ga-ehi n'ute n'abalị. A ga-eji mpekere bọtụụl maọbụ ihe ọzọ dị nkọ were kpụchapụsịa akụkụ ahụ ya niile bu ajị. Ọ ga-eji aka ekpe were eri nri sitere n'efere nri gbawara agbawa bụ nke a gaghị asa asa n'oge niile a ọ ga-eru ụjụ. A ga-amanye ya ịṅụ mmiri e jiri saa ozu di ya ahụ.

Madumelu (2014) n'aka nke ya kọwapụtara na ọ bụrụ na nwoke a nwụọ, ụmụ nne ya na- achụpụ nwunye ya ma napụ ya ihe niile di ya nwere. Oge ụfọdụ, a na-agbaba nwaanyị a aka ihe ọ ga-eji zụọ ụmụ ya. Ụfọdụ ụmụnwaanyị na-ahụta onwe ha n'ajọ ọnọdụ a ma ọ bụrụ na ha amụtaghị nwa nwoke. Ahonsi (1997) kwupụtara na echiche dị otu a bụ iji gosi ikikere agbụrụ nwoke ahụ nwụrụ anwụ nwere nakwa iji daa nwaanyị ahụ ogbenye. Nke a ga-eme ka ọ ghara inwe ike ịgbagha ha okwu.

## Agụmagụ

Agụmagụ bụ ụzọ pụrụ iche ọtụtụ ndị odee si ezipụta ihe na-eme n'ụwa. Nwokoye (2019:12) na-ekwusị, "Agụmagụ nwere ike ịbụ ihe e ji akọwa maka ndụ na ihe na-ewuru ndị n'oge nke ha". Nke a pụtara na ọtụtụ ndị odee na-esite n'akwụkwọ agụmagụ ha zipụta ọnọdụ dị icheiche ndị mmadụ nọ na ya. N'ime nke a, ha na-eto maọbụ akatọ ọnọdụ dị otu a.

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

Okoh (2008) na-akwado nke a site n'ikwu na agụmagụ nwereike ịgbaziri anyị, mee ka anyị nwee mmụta gbasara ụwa na ihe ndị na-eme na ya. Niihi nke a, e nwereike ịsị na agụmagụ bụ enyo e ji ahụta ndụ. Agụmagụ bụ ihe gbasara mmadụ na gburugburu ya. Ọ na-enyocha mmadụ dịka ya na ihe ndị dị na gburugburu si emekọrịta. Ọ na-eleba anya n'ezi ihe na nsogbu naadapụta n'ọnọdụ ọbụla. Ọ na-akọwa maka agamnihu na ndaghachi azụ nke mmadụ, ike na adịghị ike ya nakwuazị etu oge na gburugburu si emetụta ihe ndị a. Isi ihe kasị mkpa n'agụmagụ bụ iji mee obi ụtọ nakwa iji nye mmụta.

Duru (2014:1) hụtara agụmagụ dị ka, "Ụzọ ndị odee si ezipụta ihe na-eme n'ụwa". Ọ gara n'ihu na-ekwu na ndị odee na-ede agụmagụ anaghị ede ya naanị maka inwe ihe e deturu n'akwụkwọ, kama ha na-aga n'ihu ịkọwara ndị mmadụ ihe ndị na-eme n'ụwa. Niihi nke a, agụmagụ gụnyere ihe dum gbasara ebimndụ, nke ndị mmadụ na-esi na ya enwe obi ụtọ na mmụta.

Obichukwu (2009:12) na-akọwa agụmag ụdị ka, "ihe dum sitere n'echiche mmadụ nke e kwuru ekwu maọbụ nke edereede, bụ nke na-enye aka igosipụta na izipụta ndụ na omenala ndị. Ọ naesite n'ihe ndị merela eme ruo n'ihe ndị na-eme eme wee banye n'ihe ndị ga-eme n'ọdịnihu". Nke a pụtara na agụmagụ na-arụtụ aka n'ihe dum gbasatara

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

mmadụ na etu ya na ihe gbara ya gbururgburu si emekọrịta.

Akporobaro (2012:2) n'aka nke ya hụtara akwụkwọ agụmagụ dịka, "akọmakọ nke a naesiten'agwa na mmewere agwa ndị dị n'akụkọ ahụ were ezipụta ihe dị icheiche ndị mmadụ naagabiga na ndụ nakwa echiche dị icheiche''. Ihe nke a pụtara bụ na ndị odee agụmagụ na-esite n' agwa ndị ha jiri zipụta akụkọ ha were agba n'anwụ ihe dị icheiche na-eme na ndụ.

Agụmagụ bara nnukwu uru na ndụ nakwa n'amụmamụ. Ọkpụrụkpụ uru agụmagụ bara, dị ka Akporobaro (2012:2) si zipụta ya bụ na e ji ya anọrị oge, ọ na-agbaziri mmadụ ụzọ, ọ naabawanye echiche ma na-akọwara ndị mmadụ ihe. Ọ gara n'ihu kwuo na agụmagụ bụ ohere ndị odee ji ezipụta nka, echiche na ihe ndị ha hụrụla banyere ndụ. Duru (2014:2) kwadoro echiche a oge ọ na-ekwu sị, "Agụmagụ na-enye aka ime ndị mmadụ obi ụtọ ma na-eme ka ha nọrọ n'obi anụrị. Ọ na-agbakwa n'anwụ ihe dum banyere ndụ''. Ọ na-akọwakwa na anyị naesite n'agụmagụ enweta ohere ịmụta na ịmata nkeọma ezi obibi ndụ n'ụdị ya dị icheiche. N'ihi nke a ka Anaekeokwu (1998:11) ji kwuo sị, "Agụmagụ na-achịkwa ezi obibi ndụ n'obodo site n'ịhazi akparamagwa''.


Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

**Abụ**

Abụ bụ okwu pụtara ihe n'edemede nchọpụta a ma bụrụ nke a na-ezipụta n'ebe niile n'omenala mba ụwa dị icheiche. Nneke (2019) kọwara ya sị na ọ dị ka echiche ahụ si n'ime mmadụ pụta nke na-ezipụta ọnọdụ onye ahụ nọ oge ahụ, nke e ji usoro okwu ahaziri ahazi ma were asụsụ nka chọọ mma n'ụzọ pụrụ iche. Ọ bụ site n'okwu ọnụ na ederede ka e ji ezipụta ya n'ụdị ya dị icheiche dịka: ukwe, egwu, mkpọku, mkpụkpọ na ngụgọ. Abụ ederede nwereike dị na nkebi na nkebi maọbụ ọ sụọ gbii. A na-achọpụtakarị ụzọ ọnọdụ abụọ a ma ọ bụrụ na e detuo ya n'akwụkwọ. Ekechukwu (2003:vii) sị, "Abụ na-akpalite echiche anyị site n'ihe nkụzị na-ezi usoro obibi ndụ". ỤbaMgbemena (1990:x) zipụtara otu echiche ahụ ma gaa n'ihu kwuo na ndanusoro nọ nnukwu ọrụ n'abụ ọbụla, niihina ọ bụ ya na-akpalite mmetụtaobi onye na-agụ ma ọ bụ onye na-egere abụ.

Emenanjọ (n.d:3) n'aka nke ya sị na mgbe a kpọrọ ihe ndị a abụ, anaghị asị na a na-agụ ha otu e si agụụ fọdụ ukwe, maọbụ uri maọbụ egwu. Ọ bụghị abụ niile ka a na-abụ abụ maọbụ na-agụ agụ maọbụkwanụ na-ekwe ekwe. O mere ka a mata na okwu ndị a na-ekwu ma a na-agba afa bụ abụ mana a naghị ekwe ha ekwe. Ụfọdụ okwu ndị a na-ekwu ma a na-eme emume bụ abụ ka ha bụ mana a naghị agụ ha agụ dị ka egwu. Chukwuezi (2001:v) kọwarakwara abụ mgbe ọ sị:

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

> Abụ bụ otu ụzọ nkọwa ihe ndị mere maọbụ na-eme otu mgbe, maọbụ mgbe niile na ndụ maọbụ obodo. Ụfọdụ bụ akụkọ ndụ e biri na mgbe ochie, maọbụ nchịkọta emume a na-eme, na-egosikwa etu ndị mmadụ siri nabata ha, maọbụ wezuga ha.

Ọ bụkwa n'otu echiche a ka Osakwe, na ndị otu ya (1997: 33, 1-2) mere ka ọpụta ihe, ha ji kwuo sị, "Abụ bụ nke onye ọbụla maara, ma na-akọwa n'ụzọ dị icheiche dịka ezigbo mkpụrụokwu a haziri n'ezigbo usoro okwu. Ọ bụ mmetụta ahụ na-apụta ihe mgbe atụghị anya ya, nke bụ onyinyo ndụ e zipụtara n'eziokwu dị ọkpụ nke e dere maọbụ hazie na nkebi abụ ka ọ ga-ezipụta ọṅụ. Ụtọ na ọṅụ nke a bụ si n'akparamagwa ya gụnyere ụda ndakọrịta, ndanusoro, akpaalaokwu, onyinyo, na ọdịmara".

Okoye (1996) n'aka nke ya, kwuru na abụ bụ ekwuruekwu maọbụ ederede nke na-ezipụta echiche miri emi maọbụ ihe mere na ndụ nke e zipụtara n'asụsụ mara mma. Asụsụ abụ bụ nke na-ama mma ma dị ugwu n'ụdịdị ya, karịa asụsụ e ji akọ akụkọ maọbụ iduuazị. Iwuchukwu (1999) zipụtara otu echiche ahụ banyere abụ oge ọ sị na abụ na-enwe mkpụrụokwu siri ike na nghọta, ma were atụmaatụ agụmagụ na-arụ ọrụ ya, karịa akụkọ maọbụ iduuazị niihina abụ naadị nkenke ma bụrụ nke na-enye otu mkpụrụ okwu ọtụtụ nghọta. Ọ bụ nke a mere Ofomata (nd:1) ji kwuo na ọ bụ n'abụ ka ọkpọabụ maọbụ odeabụ na-ezipụta echiche

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

ya n’asụsụ mara mma, nke si na mmetụta ahụ ya banyere ihe mere ya. Ọ gara n’ihu kwuo na ọkpọabụ maọbụ odeabụ nwere ikikere ịhọrọ asụsụ etu ọ masịrị ya wee zipụta echiche ya.

**Nnyocha Atụtụ**

Atụtụ nwanchọcha jiri wee bagide nchọcha a bụ atụtụ feminizm. Feminizm dịka Ifejirika (2014) siri kọwa abụ atụtụ malitere na mba Amerịka n’agbata afọ 1920 nke ebumnobi ya bụ ime ka ndị mmadụ mata onyinye pụrụ iche ụmụnwaanyị nwere dịka mmadụ zuru oke nakwa ịkọwapụta ụmụnwaanyị dịka ndị tozuru etozu n’obodo. Niihi nke a ka ikike na ohere a ga-enye ụmụnwaanyị hara nha na nke e nyere ụmụnwoke dịka o si metụta agụmakwụkwọ, ọchịchị, alụmalụ, ekpemekpe, azụmahịa na mpaghara ndị ọzọ. Isi ihe kasị mkpa mere ndị malitere amụmamụ a bu n’obi dịka Ifejirika siri kọwapụta bụ ka a napụta ụmụnwaanyị n’aka mmegbu, mkpagbu, nlegharaanya, nchakpodo anya na aka ike ha na-enweta site n’aka ụmụ nwoke. N’ịkọwapụta etu atụtụ a si arụ ọrụ n’agụmagụ, Ifejirika kwuru na atụtụ a na-eleba anya n’ihe ndị a;

a. Etu ndị odee ụmụ nwoke siri zipụta agwa ụmụnwaanyị n’ime agụmagụ ha
b. Etu ndị odee ụmụnwaanyị siri zipụta agwa ụmụnwoke n’ime agụmagụ ha,
c. Etu agwa ndị nwoke siri meso agwa ndị nwaanyị n’agụmụgụ

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

d. Etu ndị odee nwaanyị siri hụta ụmụnwoke
e. Etu e siri hụta ọnọdụ ụmụnwaanyị n'ọhaobodo, dgz.

Nwanchọcha họọrọ atụtụ a iji bagide nchọcha a niihina ọ bụ ya kaara daba nkeọma na nchọcha a. Ebe ọ bụ na nchọcha a na-achọ ịmata etu ndị odee siri zipụta ọnọdụ nwaanyị ajadu n'abụ ha, atụtụ feminizm ga-enyere nwanchọcha aka ịchọpụta etu ọnọdụ nwaanyị ajadu siri gbaa ihe a elu n'abụ ndị a.

**Nnyocha Edemede Nchọpụtaga**

Anedo na Anedo (nd) mere nchọcha n'isiokwu ha kpọrọ "Ọnọdụ Nwaanyị Ajadu N'Omambala Igbo". Na nchọcha ha, ha kọwara na ọnọdụ ajadu n'Omambala bụ ọnọdụ nsọ. Nkwenye ha bụ na ọnọdụ dị otu a dị iche na nke ndị nwaanyị ndị ọzọ n'obodo. Ha kwuru na ọnọdụ ha nwere ike butere ha ịsọ ha nsọ maọbụ ize ha eze. Ụfọdụ ọnọdụ ndị a bụ ndị e chere na ọ bụ maka ọdịmma ha ebe ụfọdụ bụ maka ọdịmma ndị nke ọzọ n'obodo. Out ihe gbara ọkpụrụkpụ na nchọcha ha bụ na ha kwuru na ọ dịghị onye na-ajụ ese ịmata ihe bụ ọchịchọ obi ndị webatara omume dị otu a nke mere na a na-edowe ndị nwaanyị ajadu n'ọnọdụ dị etu ahụ.

Madumelu (2014) bagidere nchọcha ọ kpọrọ "Widowhood in Two Igbo Communities of Nigeria: A Contextual Manipulation of Patriachy" iji chọpụta etu obodo Enugwu-Ukwu dị na steeti Anambara na Abaofia dị na steeti Ebonyi si were emeso ụmụnwaanyị ajadu omume. Nchọpụta ya

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

gosiri na obodo Enugwu-Ukwu na-ebogide ụmụnwaanyị ajadu ha ibu arọ nke ha kwenyere na ọ bụ nkwenye ha. Ha na-eme nke a iji gosi nkarị ụmụ nwoke nwere n'ebe ụmụnwaanyị ha nọ. Abaofia na-eji obi nwanyọọ emeso ụmụ nwaanyị ajadu ha omume. Nke a bụ niihina Abaofia bụ obodo emepeghị emepe nke na ha erijuchabeghị afọ nkeọma iji nwee ume imeso ndi ajadu ha omume ọjọọ. Out ihe pụtara ihe na nchọcha ya bụ na a hụtara obodo Enugwu-Ukwu dịka obodo mepere emepe karịa Abaofia. Niihi nke a, a tụrụ anya na etu Enugwu-Ukwu siri ahụta ụmụ nwaanyị ajadu ha tosiri ịbụ dịka nke ndị obodo sara anya n'ihi mmepe dị icheiche batarala n'obodo karịrị ka ọ dị n'obodo Abaofia.

N'ime nchọcha ndị a niile, nwanchọcha chọpụtara na e nwekebeghị ka e siri mee nchọcha banyere etu ndị odeeabụ Igbo siri zipụta ọnọdụ nwaanyị ajadu n'abụ ha. Ọbụ nke a kpalitere nchọcha a iji chọpụta etu ndị odeeabụ Igbo siri zipụta ọnọdụ nwaanyị ajadu n'abụ ha nakwa ụzọ e nwereike isi belata ajọ ọnọdụ ụnwaanyị ajadu na-anọ.

**Ndina n'Abụ Ndị A họrọ**

a. ***Akwa Ajadu***

E cheta e bewe
Akwaarịrị abalị niile
Ije ụwa ọ ga-ebi ole mgbe?
Ewu ataala m igu n'isi Ugonna,
ọ bụ ginị mere gị?

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

Chi gburu gị bịa kpọrọ m.
Ndị iro gbara m gburu gburu

Olee mgbe m ga-ahụ gị ọzọ
Anya tọrọ m n’ụzọ ụbọchị niile
Ụmụ gị na-akpọ gị
Agụụ emeela ha arụ
Ezinaụlọ gị bụ ihe a kpụ n’ọnụ
Anya mmiri abụrụla m mmiri ọṅụṅụ

Ọnwụ!
ị bụ ụtarị pịara ajadu na njọ Oyi
ụgụrụ atụgbuola ya.
Ndị nna di eburula ọgụ wakpo ya Ha abịala
ike oke ha amaghị mgbe a kpara Onye ga-
alụrụ ya ọgụ a?

Ije di m bịara n’ụwa
Edoghị m anya
Aga m eli di ole.
Mmadụ ka adaala elu nkwụ.
Igwebuike akwụọla ụdọ Ugbu
a ọ bụ Ugonna.
A tụọ mbụ, abụọ atọ
Ọ bụrụ n’ogwe

Ogwe a pịịrị m gị akụ?
Ugonna kọọrọ nne m,

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

Kọọrọ nna m ma I jeruo Na
ike ụwa agwụla m.
Ụwa m hei! Ụwa m!
*Ije Ụwa*, 60

b. ***Ajadu***
Ọka njọ nanwaanyị
Ọka kwa njọ n'agbara nwaanyị.
Ọ karịsịa njọ na nwaanyị enweghị nwa
Njọ a bụ ole ndị bu ya n'isi Ụmụnna!
Ụmụọkpụ!! Ada nne!
Gịnị ka a na-achọ n'ahụ ajadu?
I ji ndụ gị aka?
Ị nwụọ, nwunye gị aghọọ ajadu
Nwunye gị nwụọ, ị ghọọ ajadu
Ajadu abụghị nzukọ ọgbọ
Maọbụ onye ọ masịrị ọ banye
Kama onye, onye nke ya nwụrụ
Na-aghọ ajadu ozigbo
Hapụ ajadu biko
Niihina anaghị achụ mbe n'ike
Makana ọ gaghị efe elu!
*Ọ Natara Chi,* 20

Ch. ***Ọnwụ Di***
Ogeri nwaanyị di ya nwụrụ
Ugboro isii ka ọ na-erote di ya:
Ehi ọ na-erote di bi ụlọ bụ na ji ntụ eruo

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

O bee akwa di ya, ọ lakpuo
Ehi ugboro naabọ bụ
E gbuweachara e ji ekwe ji dị na mbụbọ
Onye ga-egbunye nwaanyị achara na gboo-o?
O bewe akwa-o
O bere wuo ọ kwụsị
Ehi ugboro naatọ, akwụ nwaanyị chaa
O lekọrọ wuo o kputewe.
Ọ ga-achị ụdọ aga-igbu akwụ?
Nwaanyị ọnwụ di ka igbu akwụ jọọ bụ jiri dịwa.
Ehi ugboro naanọ bụ nna di nọọ mitim.
Onye ga-akọrọ nwaanyị ka a gbara jekọchaa-o?
Ehi ugboro ise bụ a na-eme agụgụ.
Onye ga-asị nwaanyị jee Eke-Ụtụtụ gote ọkụkọ
Na-agụgụ eruo-o?
Ehi ogeri nwaanyị na-ebe akwa di ebiebi
Akwa agwụagwụ bụ
Ehi mmiri jiri oria balịmaa ya n'ụlọ akịrịka.
Ọ mara na ọnwụ di dị mwute nke ukwuu.
*Mbem Akwamozu*: 30

**Nzipụta Ajadu N'Abụ Ndị A Họọrọ**

N'*Akwa Ajadu***,** na nkebi abụ nke mbụ, odee zipụtara nwaanyị ajadu dịka onye nọ n'arịrị oge niile niihi ọnwụ di ya. O zipụtakwara ọnọdụ ajadu dịka nke na-ebutere ya ndị iro nke na ọ naarịọ chi ya bịa kpọrọkwa ya dịka o si kpọrọ di ya.

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

Na nkebi nke abụọ, odee zipụtara nwaanyị ajadu dịka onye na-enwe olileanya na di ya gaalaghachikwute ya otu ụbọchị. Mana olileanya ya abaghị uru niihina sọ otu ihe amaghị ka e mere bụ ọnwụ. Onye nwụrụ anwụ agaghị adị ndụ ọzọ. A hụtakwara ọnọdụ ajadu na nkebi a dịka nke na-ebutere ezinaụlọ ya agụụ nke na-eme ka ụmụaka a mụtara na-echeta ọnwụ nna ha oge niile. Odee ji egbeokwu dara ụda were zipụta ka ọnọdụ a siri sie ike oge o kwurusị, "Anya mmiri abụrụla m mmiri ọṅụṅụ". Nke a gosiri na ma nwaanyị ajadu ma ụmụ ya nọ n'akwa oge niile.

Na nkebi nke atọ, odee zipụtara etu ọnwụ di si emesi nwaanyị ajadu ike nkena o nweghizị onye na-ekposa ya ahụ ọkụ n'oge oyi ụgụrụ. Odee zipụtakwara etu ndị nnadi si abịa anapụ nwaanyị ajadu akụ ya na di ya kpatara niihina o nweghị onye ga-ekwuru ya.

Na nkebi nke anọ, odee zipụtara etu ọnwụ di si echetara nwaanyị ajadu ihe ike dị icheiche merela ya na ndụ. Ọnọdụ a na-echetara ya ọnwụn di nke ya nwụrụgoro anwụ dịka di, nne na nna d.g.z. N'iji atụtụ nnyocha feminizm were tụlee abụ a, a chọpụtara na odeabụ a ji agwa nwaanyị were zipụta akwa ajadu n'agbanyeghị na ajadu metụtara ma nwoke ma nwaanyị. A chọpụtakwara na odee zipụtara ọnọdụ nwaanyi ajadu dịka nke na-ebutere nwaanyị ahụ ahụhụ dị icheiche dịka agụụ na ịnọ n'arịrị oge niile. N'iji zipụta etu ụmụ nwoke sị emegide ụmụnwaanyị n'obodo dịka atụtụ nnyocha feminizm si enyochapụta, odee

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

zipụtara etu ndị nnadi si anapụ nwaanyị ajadu akụ di ya niihina di ya anwụọla. Nke a gosiri nkwenye ndị mmadụ na o nweghị uru nwaanyị bara ma ewepụ di ya.

N'*Ajadu*, odee zipụtara na ọnọdụ ajadu na-adị njọ ma ọ bụrụ nwaanyị ka o metụtara. Ọ kọwapụtara na ọnọdụ na-akakwanye njọ ma ọ bụrụ na nwaanyị ahụ akabeghị nka, ma bụrụkwa nke jọgburu onwe ya ma ọ bụrụ na nwaanyị ahụ amụtaghị nwa. Eleghị anya odee zipụtara nke a niihi oke ahụhụ na-adakwasa nwaanyị akabeghị nka oge di ya nwụrụ. Eleghị anya, ụmụ onye dị otu a etorubeghị ilekọta nne ha anya nkeọma. Nke a ga-etinye nwaanyị ahụ n'ahụhụ ịzụlite ụmụ ya naanị ya n'enweghị onye enyemaka. Ọzọ, ọnọdụ a nwere ike ibutere ya mmekpa ahụ ndị nnadi bụ ndị ga-achọ ka ha kpara akwụ n'osisi nkwụ ha azọghị. Mana ọ bụrụ na nwaanyị a amụtaghị nwa tupu di ya anwụọ, ọnọdụ ajadu ya na-esiwanye ike niihina ndị ezinaụlọ di ya nwereike ịnakọrọ ya ihe niile di ya nwere ma chụpụ ya niihina o nweghị nwa ga-eketa oke ndị ahụ. Ọzọkwa, nwaanyị a ga-anọ na nnukwu mwute niihina o nweghị ihe nkasi obi ọbụla n'ọnwụ di ya. A sị na ọ mụtara nwa, ọ gaara iji ya wee na-edi ahụhụ na mkpagbu ọbụla naabịara ya n'ọnọdụ a.

Odee zipụtakwara ọnọdụ ajadu dịka ndị na-enweta mkpagbu dị icheiche site n'aka ndị ụmụnna, ụmụọkpụ na ndị Adanne di ha. Ọ kọwapụtara na ndị na-eme nke a aghọtaghị ihe ha na-eme niihina o nweghi onye ma onye ọ

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

ga-abụ echi. Ọnwụ nwereike izute onye ọbụla nke ga-eme ka onye nke ya bụrụ ajadu. Odee jikwa abụ ya arịọ ndị mmadụ ka ha kwụsị mkpagbu ndị a ha naakpagbu ụmụnwaanyị ajadu niihina o nweghi onye ji ndụ ya aka.

N'iji atụtụ nnyocha a, a họọrọ wee tụlee abụ a, a chọpụtara na odee kọwapụtara na ọnọdụ ajadu na-aka njọ ma ọ bụrụ nwaanyị ka o metụtara. Nke a gosiri na nwoke ajadu anaghị ezute ụdị ahụhụ ụmụnwaayị ajadu na-agabi ga n'obodo. Nke a mere na mgbe ọbụla a kpọrọ ajadu, ọ bụ ụmụnwaanyị ka a na-ebukarị n'obi. Nke a megidere echiche atụtụ a niihina atụtụ feminism naakọwa ka enye ụmụnwaanyị ohere na ikike e nyere nwoke niihina ha tozuru etozu dịka mmadụ n'ọhaobodo.

Ọzọkwa, site n'atụtụ nnyocha a, a chọpụtara dịka odee siri zipụta na mkpagbu nwaanyị ajadu na-enweta abụghị naanị n'aka ụmụ nwoke ka o si abịa, kama ụmụnwaanyị ndị ọzọ dịka ụmụọkpụ na ndị adanne di ha sokwa akpagbu nwaanyị ajadu bụkwa nwaanyị ibe ha.

N'**Ọnwụ Di**,
Odee zipụtara ugboro ole nwaanyị na-echeta di ya nwụrụ anwụ. Oge ndị a bụ oge nwaanyị legharịrị anya ma ọ hụghị di ya ga-arụrụ ya ọrụ ndị ahụ ọ na-arụrụ ya oge ọ dị ndụ. Ọrụ ndị ahụ gụnyere igbute achara ọ ga-eji ekwe ji, igburu ya akwụ chara n'elu nkwụ ya, iruzigharị elu ụlọ ha maka mmiri ịmaa ha dgz. Oge ọzọ nwaanyị ajadu na-echeta

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

ọnwụ di dịka odee siri kọwaa bụ ụbọchị ndị nnadi ga-aga mitim, o nweghịzị onye ga-akọrọ ya ihe ndị ahụ e metere na nzukọ. Ụbọchị ọzọ bụ n'oge nnukwu emume obodo, nwaanyị na-echeta etu di ya si enye ya ego iji zụta ihe ndị ezinaụlọ ya ga-eji emerube mmemme ahụ.

N'iji kwa atụtụ nnyocha a were nyochaa abụ a, a chọpụtara na odee zipụtara nwaanyị ajadu ebe a dịka onye umengwụ nke apụghị imere onwe ya ihe ọbụla niihina di ya anwụọla. Odee zipụtara di dịka ejechaa ọ gwụ na ndụ nwunye ya nke mere na nwaanyị di ya nwụrụ na-echeta ọnwụ di ya mgbe o nweghịzị ike imere onwe ya ihe ndị ahụ di ya na-emere ya oge ọ dị ndụ. Ọnọdụ dị etu a etosighị etosi niihina nwaanyị di ya nwụrụ tosiri icheta ọnwụ di ya niihi ịhụnanya o nwere n'ebe di ya nọ, niihi ogologo oge ya na di ya birila na ihe ndị ahụ ya na di ya gabigara na ndụ; ọ bụghị naanị n'ihi ọrụ ndị ahụ di ya na-arụ oge ọ dị ndụ.

## Nzipụta Ahụhụ Nwaanyị Ajadu

### i. Agụụ

Nwaanyị ajadu na-anọ n'agụụ niihi ọnwụ di ya. N'omenala Igbo, nwaanyị na-aza oriakụ maọbụ odoziakụ. Nke a pụtara na ọ bụ nwoke na-akpata akụ a na-eri. Ọ bụladi n'oge ugbua, ọtụtụ ụmụ nwaanyị na-eso akpata akụ mana nke a anapụghị nwoke new ụlọ ọrụ ilekọta ezinaụlọ ya anya. Ọ bụ nke a mere na mgbe a chọrọ ya achọ n'ezinaụlọ, ọnọdụ ezinaụlọ ahụ na-agbanwe. Agụụ n'ụzọ

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

ọbụla so n'ihe ezinaụlọ ahụ na-agabiga tụmadi n'ebe nwaanyị enweghị akaọrụ nọ.

N'**Akwa Ajadu,** ọnọdụ a pụtara ihe na nkebi nke abụọ oge odee kwurus ị:

Ụmụ gị na-akpọ gị
Agụụ emeela ha arụ.

**ii. Irụ Ọrụ Ike**

Di nwe ụlọ bụ ya na-arụ ọrụ siri ike n'ezinaụlọ ya dịka ịsụcha ubi maka ịkọ ọrụ, igbu akwụ, idozi elu ụlọ na-ehi mmiri, igbu achara maka ikọ ji dgz. Na mgbembụ, ọ bụ di nwe ụlọ na-arụ ọrụ ndị a n'ezinaụlọ ya. Mana ọnwụ di na-etinye nwaanyị n'ịrụ ọrụ ndị a maọbụ igo ndị ọrụngọ. Ọtụtụ oge, ọ gaghị enwe ego ọ ga-eji kwụọ ndị ọrụ ngo ụgwọ. Odee zipụtara echiche a nkeọma n'**Ọnwụ Di** oge o kwuru sị:

Ogeri nwaanyị di ya nwụrụ
Ugboro isii ka ọ na-erote di ya:
Ehi ọ na-erote di bi ụlọ bụ na ji ntụ eruo
O bee akwa di ya, ọ lakpuo
Ehi ugboro naabọ bụ
E gbuwe achara e ji ekwe ji dị na mbụbọ
Onye ga-egbunye nwaanyị achara nagboo-o?
O bewe akwa-o
O bere wuo ọ kwụsị
Ehi ugboro naatọ, akwụ nwaanyị chaa

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

O lekọrọ wuo o kputewe.
Ọ ga-achị ụdọ aga-igbu akwụ?
Nwaanyị ọnwụ di ka igbu akwụ jọọ bụ jiri dịwa.
… Ehi ogeri nwaanyị na-ebe akwa di ebiebi
Akwa agwụ agwụ bụ
Ehi mmiri jiri oria balịmaa ya n'ụlọ akịrịka.
Ọ mara na ọnwụ di dị mwute nke ukwuu.

**iii. Mkpagbu Sitere N'Aka Ndị Mmadụ**

Nwaanyị ajadu na-agabiga ọtụtụ mmekpa ahụ site n'aka ndị mmadụ ọkachasị site n'aka ndị nnadi, ụmụọkpụ na ụmụnne di ha. Ọtụtụ oge ka a na-ebo ya ebubo na ọ bụ ya gburu di ya ebe ọtụtụ oge ka a na-anapụ ya oke ruuru ya n'ezinaụlọ nakwa n'obodo. Ụfọdụ oge, a na-anapụkwa ya akụnaụba di ya kpatara. Ọnọdụ dị etu a ka jupụtara ebe niile n'ala Igbo niihi okeọchịchọ na anyaukwu ndị mmadụ. Ụfọdụ na-egbu nwanne ha iji nweeike weghaara akụ ọ kpatara ma bo nwunye ya ebubo na ọ bụ ya gburu di ya. Nke a wee bụrụ nnukwu ihe mkpọbi ụkwụ nyere ezi usoro obibi ndụ ndị mmadụ.

Odee zipụtara nke a n'**Akwa Ajadu** oge o kwuru sị:
Ndị nna di eburula ọgụ wakpo ya Ha abịala ike oke ha amaghị mgbe a kpara Onye ga-alụrụ ya ọgụ a?

Nke a pụtakwara ihe n'**Ajadu** oge odee kwuru sị:
Njọ a bụ ole ndị bu ya n'isi Ụmụnna! Ụmụọkpụ!! Ada nne!
Gịnị ka a na-achọ n'ahụ ajadu?

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

**iv. Oyi Ụgụrụ**

Di na nwunye bụ maka ikposa ahụ ọkụ. Ọnwụ di na-etinye nwaanyị na nsogbu nke na ụmụ nwoke nọ n'obodo na-emekpa ya ahụ nke ukwuu. Ha ga-achọ ịbịa na-akpara akwụ na nkwụ ha akụghị. Ụfọdụ ụmụ nwoke, ọkachasị ụmụnne di na-ahụta ya dị ka oke ha idina nwunye nwanne ha nwoke nwụrụ anwụ ma nwaanyị ahụ ọ chọrọ maọbụ na ọ chọghị. Nke a wee bụrụ ihe mmekpa ahụ nyere nwaanyị ajadu. Odee zipụtara nke a n'**Akwa Ajadu** oge o kwuru sị:

ị bụ ụtarị pịara ajadu na njọ Oyi ụgụrụ atụgbuola ya.

**v. Enweghi Ego Maka Mmemme Obodo**

N'ezinaụlọ zuru oke, ọ bụrụ na nnukwu mmemme obodo ruo, dịka, mmemme iri ji ọhụụ, ekeresimesi, ọfala dgz, di nwe ụlọ na-enye nwunye ya ego maka ịzụtara ụmụ ha akwa ọhụrụ na ngwa ekike dị icheiche. Ọ na-enyekwa nwunye ya ego ịzụta ihe ndị a ga-eji sie ezigbo ihe oriri dị mma dịka ọkụkọ, osikapa, azụ mangala dgz. Ma ọtụtụ oge, ọnwụ dị na-eweta ihe mkpọbi ụkwụ nyere ihe ndị a n'oge oriri. Nke a na-etinye ezinaụlọ ya n'ọnọdụ mwute. Odee zipụtara nke a n'*Ọnwụ Di* oge o kwuru sị:

Ehi ugboro ise bụ a na-eme agụgụ.
Onye ga-asị nwaanyị jee Eke-Ụtụtụ gote ọkụkọ
Na agụgụ eruo-o?

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

**Ụzọ Ibelata Nsogbu Nwaanyị Ajadu**

Ụzọ ndị e nwereike isi belata nsogbu na-echere nwaanyị ajadu aka mgba dịka ndị odee abụ ndị a họọrọ siri zipụta nakwa dị ka nwanchọcha sitere n'ọgụgụ isi ya chepụta bụ ndị a:

**i.** Ndị mmadụ ịghọta na ọnwụ na-eche mmadụ niile. O nweghi onye ji ndụ ya aka nke o ji enwe onye ga-anọ n'ụwa puo ero. Ka onye ọbụla mata na o nweghị onye ji aka ya ahọrọ ọnọdụ ajadu. Ọ bụ nsogbu karịrị ike mmadụ, na-etinye ndị mmadụ n'ajọ ọnọdụ a. Ka ha matakwa na ha nwere ike ịda ba n'ọnọdụ ajadu oge ọbụla maọbụ nwunye ha abanye n'ọnọdụ nwaanyị ajadu oge ọbula. Ọ bụrụ na ndị mmadụ nwee echiche dị etu a, ọ ga-eme ka ha gbanwee omume ha na-emeso nwaanyị ajadu ma were ịhụnaanya na obi ebere na-emeso ha omume. Maka na ọ bụ iko onye ji ama nyere mmadụ ka a ga-eji ma nyere ya n'oge nke ya. Odee zipụtara nke a n'*Ajadu* oge o kwuru sị:

I ji ndụ gị aka?
Ị nwụọ nwunye gị, aghọọ ajadu
Nwunye gị nwụọ, ị ghọọ ajadu
Ajadu abụghị nku zoọgbọ
Maọbụ onye ọ masịrị ọ banye
Kama onye, onye nke ya nwụrụ
Na-aghọ ajadu ozigbo
Hapụ ajadu biko
Niihina anaghị achụ mbe n'ike
Makana ọ gaghị efe elu!

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

**ii**. Ụzọ ọzọ a ga-esi belata ahụhụ nwaanyị ajadụ bụ site na ndị na-achị obodo iti iwu maka ọ dị mma ụmụ nwaanyị ajadu. Ka ahụ na ụmụnne di anapụghị nwaanyị ajadụ akụ ya na di ya kpara niihina ọ bụ ihe ọ ga-eji na-elekọta ezinaụlọ di ya hapụ ụrụ ya anya.

**iii.** A ga-ebelata ahụhụ nwaanyị ajadu ma ọ bụrụ na gọọmentị na ndị ọ dị n'aka iguzobe onyinye agụmakwụkwọ n'efu nyere ụmụaka niile nna ha nwụnahụrụ bụ ndị nne ha agaghị enwe ike ịzụlite n'akwụkwọ. Ka gọọmentị nyekwuazị aka ịhụ na ụmụaka ndị a nwetara akaọrụ ha ga-eji enyere onwe ha aka na ndụ dị ka ịkwa akwa, ịkpụ isi, ịkwọ ụgbọala, ịkụ osisi, idozi ụgbọala, dgz. A tụrụ anya na ọ bụrụ na ha amụta akaọrụ ndị a nkeọma, ọ ga-ezuru ha iji bụrụ nnukwu mmadụ nandụ ha n'ọdịnihu.

**iv.** Ka ndị ezinaụlọ nwoke nwụrụ anwụ were obi ọcha nabata nwunye nwanne ha nwoke na ụmụ ya ma hụ na ha ekweghị ka ahụhụ ụwa mekpaa ha ahụ. Ka ha were nwaanyị ahụ dị ka nwunye ha ma were ụmụ ya dị ka nke ha. Nke a ga-eme ka obi ruo nwaanyị ajadu ala n'ezinaụlọ di ya.

**v.** Ka nwaanyị ọ bụla mata na oge ịza oriakụ agafeela. Ka onye ọbụla gbaa mbọ ịhụ na o nwere ezigbo ọrụ aka maọbụ ezigbo ọrụ ọ na-arụ. Ka ọ ga-abụ, ọ bụrụ na ha hụta onwe ha n'ọnọdụ ajadu echi, ka ọ ghara ịhị aba ha arụ ilekọta ezinaụlọ ha anya nkeọma.

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

## Ihe Ndị A Chọpụtara

**i.** A chọpụtara na ndị odeeabụ Igbo na-ezipụta ọnọdụ ajadu n’akwụkwọ abụ ha iji mee ka ndị mmadụ mata ahụhụ dị icheiche nwaanyị ajadu na-agabiga na ndụ.

**ii.** A chọpụtara na ahụhụ nwaanyị ajadụ na-ata buru ibu dị ka agụụ, ịrụ ọrụ ike, mkpagbu sitere n’aka ndị mmadụ dịka ndị nnadi, ụmụ ọkpụ na ụmụnne di, oyi ụgụrụ na enweghị ego ịzụtara ụmụ ha ihe dị mma maka emume obodo.

**iii.** A chọpụtara na ụzọ e nwere ike isi belata ahụhụ nwaanyị ajadu bụ site na onye ọbụla ịmata na o nweghi onye na-eji aka ya ahọrọ ajọ ọnọdụ a kama na ọ bụ ọnwụ na-etinye mmadụ na ya. Niihi nke a, ka e were obi ịhụ na anya na obi ebere were na-emeso nwaanyị ajadu omume. Ka gọọmentị nye ụmụnwaanyị ajadu ohere ịgụ akwụkwọ n’efu ma nyere ha aka inweta ezigbo akaọrụ ga-enyere ha aka na ndụ. Ka ụmụnne di jiri obi ọcha nabata nwunye nwanne ha nwoke nwụrụ anwụ na ụmụ ha. Ka a hụ na-anapụghị nwaanyị ajadu ihe nketa di ya n’ ezinụlọ nakwa n’obodo.

## Nchịkọta

Na nchịkọta, a chọpụtara ọtụtụ ihe gbasara ọnọdụ nwaanyị ajadu n’ala Igbo site n’ịkọwa ọtụtụ ihe ndị odee dị icheiche kọwara gbasara ya. A chịkọtakwara ihe ndị odee dere banyere agụmagụ na abụ. Nwanchọcha nyochakwara abụ ndị a họọrọ site n’ịchọpụtagasị etu ndị odeabụ ndị a siri zipụta ọnọdụ nwaanyị ajadu n’abụ ha. A kọwara ihe niile a tụrụ anya n’isiokwu a na-ede maka ya n’ụzọ doro anya.


Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

A chịkọtakwara isi ihe ndị a chọpụtara ma tụọ aro n'ụzọ dị iche iche isi belata ajọ ọnọdụ a.

**Mmechi**

Nchọcha a abụghị ejechaa ọgwụ n'isiokwu e dere maka ya, kama, ọ ga-enyere ọha mmadụ aka ịmata etu ndị odeeabụ Igbo siri were ezipụta ajọ ọnọdụ na-echere ndị mmadụ aka mgba na ndụ nke ọnọdụ ajadu so n'otu n'ime ha. Nwanchọcha na-arịọkwa ndị odee agụmagụ Igbo ka ha naaga n'ihu izipụta ajọ ọnọdụ ndị a n'akwụkwọ agụmagụ ha ma na-arịọkwa ndị omenchọcha ka ha na-arụtụgasị aka n'ajọ ọnọdụ ndị a na nchọcha ha. Nke a ga-enye aka n'isaghe anya ndị mmadụ n'ebe ọnọdụ ndị a dị.

**Edensibịa**

Akporobaro, F.B.O. (2012), *Introduction to Fiction.* Lagos: Princeton Pub.

Anaekeokwu, U. R. (1998), *A New Approach To Literary Appreciation.* Enugu: Format.

Anedo, A. A &Anedo, N. E. (nd). 'ỌnọdụNwaanyịAjaduN'Ọmambala Igbo'. E wetara na http://www.igboscholarsforum.com.ng/igbo-scholar-journal/

Chinedu, B. O. (n.d). *West African Verse in Background Analysis Lecture.* Onitsha: Kawuri& Manilas Publishers.

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

Duru, T. (2014), *Standard Literature-in-English.*Owerri: Standard Publishers.

Ekechukwu, R. M. (2003). *Akpa Uche*. Ibadan: University Press.

Ekwealor, C. C (2010). *OmenalanaEwumewu Igbo.* Onitsha: Africana First Publishers.

Emenanjọ, N. (n.d). *ỤtaraNtị*. Ibadan: Evans brothers.

Ezejiofor, A. O. (2011). 'Patriachy, Marriage and the Rights of Widows in Nigeria'. *Unizik Journal of Arts and Humanities,* 12(1), 139-157.

Iwuchukwu, C. (1999). *The Mastery of Literature.* Lagos: Macckho-Ricckho Press & Publishing.

Joe. C. (2022). 'Woman Stripped, Tortured after Husband Died During Sex'. *Daily Post.* Nke e wetara na https://www.google.com/amp/s/dailypost.ng/2022/03/13/woman-stripped-tortured-after-husband-died during-seụ/%3famp=1

Jonathan, M. D., &Inedu, E. (2013). Society, Culture And Widow Maltreatment in Nigeria: An Examination of Rose Mary Asen's The Woman in Black. *African Journal of Literature.*

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria

Madumelu, J. (2014). “Widowhood in Two Igbo Communities of Nigeria: A Contextual Manipulation of Patriachy”. A Dissertation. Stony Brook University.

Nneke, A. C. (2019).Ọnọdụ Abụ Ntọaja N’Emume Achụmnta N’Ọmambala. *Odezuruigbo Journal.* Vol. 3. No 1.

Nwokoye, A. N. (2019), *AbụIkpe: Ngwaọrụ Na-Agbazi Usoro Obibi Ndụ.*Onitsha: Noben Press.

Obichukwu, O. (2009), *Elements of Literature.* Lagos: Treasure Pub.

Okoh, N. (2008). Preface *to Oral Literature*. Onitsha: Africana First Publishers. Onitsha: Noben Press.

Osakwe, N. Okoye, I. & Umeasiegbu, R. (1997). *Communication Skills in English*. Enugu: Ngib Publishers.

Uzochukwu, S. (2007), *MbemAkwamozu*. Onitsha: University Press.

Chinelo Chizoba Anachunam is a lecturer in the Department of Igbo, African and Communication Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka, Anambra State, Nigeria.

 Copyright @ Ezenwa-Ohaeto Resource Centre, Awka, Nigeria